# ỌPỤPỤ AHỤ SITE N'UGWU SAINAI

## Ọnu-ọgugu 9:15-23; 10:11-13, 29-36

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 91 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndi nēbuli ijè ka ayi bu rue ebe ahu nke JEHOVA kwuru okwu banyere ya, si, Nke ahu ka M'gēnye unu soro ayi je, ayi gēme kwa gi nma: n'ihi na JEHOVA ekwuwo ezi ihe banyere Isreal" (Ọnu-ọgugu 10:29).**

**I Iheàmà nke Igweoji ahụ**

1. Igweoji ahụ n'ehihie na Ogidi ọkụ ahụ n'abalị bụ ihe ná-egosi ụzọ, Ọnu-ọgugu 9:15-23; 10:11; Ọpupu 13:21, 22; 14:19, 20, 23, 25; 40:34-38; Abù Ọma 78:14; 105:39; Aisaia 4:5, 6
2. Igweoji ahụ biliri, ndị Israel wee malite ọpụpụ site na Sainai, Ọnu-ọgugu 10:12, 33, 34; Deuteronomi 32:11, 12
3. Igweoji ahụ na-ezu ike, ndị Israel wee maa ụlọikwuu ha na Peran, Ọnu-ọgugu 10:12, 13, 33, 34

**II Ọkpụkpọ Òkù Nke Moses Kpọrọ Ọgọ ya Nwoke**

1. "Soro ayi je," Ọnu-ọgugu 10:29; Aisaia 55:1-3; Jọn 7:37; Nkpughe 22:17
2. Ọtụtụ ihe nke ụwa na-adọrọ Hobab, Ọnu-ọgugu 10:30; Matiu 19:21, 22
3. Ọnọdụ dịrị Hobab, Ọnu-ọgugu 10:31; 1 Ndi Kọrint 12:8-27
4. Ụgwọọlụ na-echere Hobab, Ọnu-ọgugu 10:32; 1 Ndi Kọrint 2:9

**III Ekpere Ụtụtụ Na nke Anyasị**

1. "Ka ndi iro-gi gbasa," Ọnu-ọgugu 10:35
2. "JEHOVA, laghachikute ọtutu ìgwè madu ndia, bú usu nile nke nnù madu abua na ọgu iri nke Israel," Ọnu-ọgugu 10:36

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Oge Ịmụta Ihe**

Israel anọworị ihe ra ka otù arọ̀ n'Ugwu Sainai. Nime oge a ha natara iwu site n'ebe Chineke nọ nke a ga-eji chịa ha n'Ala Mkwà ahụ. Ọ bụ oge bara óké urù mgbe ha nọkọtara ọnụ wee bụrụ kwa ndị a na-ezi ihe banyere Onyenweanyị. N'ebe a ka ewuru Igbe Ọgbụgbandụ na Ụlọikwuu, na idebe onye nchụàjà, ọ bụ kwa na ya ka agwara ndị Israel banyere ụzọ Chineke chọrọ ka ha dị ná-efè Ya.

**Igweoji Ahụ**

Nnọnye nke Chineke dịkwasịrị n'elu Ụlọikwuu ahụ n'ụdị igweoji n'ehihie na n'ụdị ogidi ọkụ n'abalị. Mgbe Chineke chọrọ ka Israel bulie ijè, igweoji ahụ na-ebili wee na-aga n'iru ha. Mgbe ọ bụla igweoji ahụ na anọgide n'elu Ụlọikwuu ahụ, Ụmụ Israel na-anọ n'ọmụma ụlọikwuu, ma o bụ ruo ụbọchị abụọ, otù ọnwa, ma ọ bụ otù arọ̀ (Ọnu-ọgugu 9:15-23). Ọ bụ ezie na mgbe ụfọdụ ijè ahụ na-eme ka ike gwụsịa ha, mgbe ụfọdụ kwa ọ na-adị ka ha anọọla ogologo oge karị n'ọmụma ụlọikwuu, ma ọ bụ Chineke bụ Onyendú ha. Ọ bụghị oge niile ka onye nke Kraist na-amata ihe mere Chineke ji na-edú ya n'ọtụtụ ụzọ ma ndị niile ná-esogide Ya na-anata nnukwu ụgwọọlụ. Ọtụtụ mgbe Chineke na-emechi ụzọ, ọ bụ ezie na ndị nke Ya agaghị ahụ́ ihe ọjọọ nke dị n'iru. Mgbe ụfọdụ Chineke na-achọ ka mmadụ ná-aga n'iru ọbụná mgbe ha ná-ahụghị mkpà ọ dị ịga n'iru. Akpọpụtara Filip onye ná-agbasa oziọma site n'ebe enwere ekpere ntute mmụọ nime Sameria ka ọ gaa n'ọzara, ma Chineke nwere ihe Ọ na-ezube: nke bụ́ otù mkpụrụobi agụụ na-agụ nke chọrọ Chineke (Ọlu-Ndi-ozi 8:26-40).

**Njèm Ahụ**

Ugbu a oge ịga njèm abịawo. Chineke nyere ihe àmà, Igweoji ahụ esiwo n'elu Ụlọikwuu ahụ bilie. Á na-ahụ́ mbili n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ọmụma ụlọikwuu ahụ mgbe eweliri ihe nlere anya (ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke apụrụ ịnọ n'ebe dị anya hụ́) nke Juda ka eweliri elu ụsụ ha wee malite njèm ahụ. Ndị ná-eso ha n'azụ̀ bụ Isaka na Zebulọn ndị ejikọtara n'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Juda ka ha bụrụ otù ngalaba nke ùsù. Mgbe nke a na-aga n'iru, ndị Livai nọ ná-eweda Ụlọikwuu ahụ wee ná-ejikere maka ijè ahụ. Èzínaụlọ nke Giashon na nke Merari (ndi Livai) na-eso ùsù nke Juda n'azụ̀ ná-ebu ihe ahụ eji eguzobe ya ọsọsọ mgbe ha ruru ebe ha ga-akwụsị.

Site n'akụkụ ndịda nke ọmụma ụlọikwuu ahụ ka ùsù nke Reuben sitere, ná-ebuli ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ ha elu, ha ga-atụgharị kwa wee bata n'ebe ahụ ndị Juda mara ụlọikwuu. Ndị ná-eso ha n'azụ̀ bụ ndị Kohat ndị ná-ebu Igbe ahụ na ihe niile nke Ebe Nsọ. Tupu ha eruo n'ebe ọzọ nke ga-abụ ọmụma ụlọikwuu. Ụlọikwuu ahụ ga-abụworị ihe ewusịworo. N'akụkụ ọdịda anyanwụ ka á na-ahụ́ ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke ndị Efraim na ngalaba ha ka ha na-aga n'iru, ebe ebuliwororị ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Dan elu n'akụkụ ugwu wee mee kwa ka ndị ha niile tụgharịa n'akụkụ aka ekpe wee sonye ibe ha, bụrụ kwa ndị nọ n'azụ̀ ùsù niile nke Israel.

Lee otú ọ ga-esi dị mma n'anya nke ukwuu ma anọdụ n'elu Ugwu Sainai lee ùsù ndị agha nke Israel ka ha na-agafe n'usoro n'usoro -- narị puku ndịkom isii (600,000), ná-agụghị ndịnyom na ụmụntakirị! N'ebe a kwa anyị hụrụ ọzọ na Chineke bụ Onye ná-eme ihe n'usoro, Ọ bụghị Chineke nke aghara.

**Otù Nzube**

Mgbe ọmụma ụlọikwuu nke Israel dị ná njikere, Moses gwara Hobab bụ́ onye nke ya sị "Ndi nēbuli ijè ka ayi bu rue ebe ahu nke JEHOVA kwuru okwu banyere ya, si, nke ahu ka M'gēnye unu." Moses na Ụmụ Israel nwere otù ebe nke ha na-aga. Ha nwere mkwà site na Chineke na Ọ ga-enye ha ala ahụ.

Anyị onweanyị nwekwara mkwà nke ala ka mma. "ma otú ọ di ugbu a ha nāgbaso ala ka nma, nke ahu bu, ala di n'elu-igwe: n'ihi nka ihere ha adigh-eme Chineke, ka akpọ Ya Chineke-ha: n'ihi na O doziworo ha otù obodo" (Ndi Hibru 11:16). Ị̀ nọ ná-awagharị n'efu ná ndụ a ná-amataghị ebe ị̀ na-eje, ná-enweghị kwa olileanya ịbà n'Eluigwe? Lee otú ụdị ndụ ahụ si bụrụ ihe ná-abaghị urù! Nwa Chineke nwere ebe ọ na-ala, mkwà, na Onyendú nke ga-ahụ́ na edubara ya n'Obodo ahụ nke Chineke doziri n'udo.

"Soro ayi je, ayi gēme kwa gi nma: n'ihi na JEHOVA ekwuwo ezi ihe banyere Israel." O kwesịghị ka anyị laa àzụ̀ n'ịgwà onye ọ bụla ka ọ bịa soro anyị n'ụzọ a nke ịbụ onye Kraist, "n'ihi na Onye-nwe-ayị enyewo n'aka-ayi nkwà nile ahu di oké ọnu-ahia di kwa uku ri-nne" (2 Pita 1:4). Anyị ga-enwe "elu-igwe ọhu na uwa ọhu, nke ezi-omume bi nime ha." Ọ bụrụ na ndị Farisii nwere ike jègharịa n'óké osimiri na ala kpọrọ nkụ̀ gburugburu ka ha mee otù onye ka o so ụzọ ha ma mee kwa ya okpukpu abụọ nwa ọkụ̀ alammụọ karị ha onweha, ò kwesịghị ka anyị onweanyị, bụ ụmụ Chineke bụrụ ndị dị ike n'ọlụ karịa ime ka erita mkpụrụobi n'urù pụọ ná mmehie? Ànyị bụ ndị nketa nke Chineke na ndị ha na Kraist na-ekekọ òkè, ma anyị na-ala azụ̀ n'ịgwa ndị enyi anyị ka ha bịa soro anyị jee?

**Ọtụtụ Ihe Mgbochi Nke Ụwa**

"Ọ we si ya, M'gagh-eje; kama alam na umu-nnam ka m'gālakuru." Ọ bụghị ihe dị mfé mmadụ iwepụsị ọtụtụ ihe ụwa nke ná-egbochi ya. Ọ bụ náání ruo mgbe mmadụ nwere ọhụ̀ nke Eluigwe ka ọ ga-aghọta na ọtụtụ ihe ụwa dị nke pụrụ ịdọrọ mmadụ. Ọtụtụ mgbe ka a na-ekwu sị, "Enwerem ọtutu ihe nke m'ga-arapu." Nke a na-eme ka echeta banyere otù nwantakirị nwoke onye enyere ịnyịnya igwe ọhụụ ya (bicycle) iji zụrụ n'aka ya otù ntakirị opi igwe. Ọ bụ ezie na nwata nwoke ahụ chọrọ ịnyịnya igwe ahụ, ma ọ chọghị ịrapụ ihe ahụ a na-afụ afụ, nke a mere na ọ naraghị ihe ahụ enyere ya. Ọtụtụ mmadụ n'ụbọchị taa bụ ndị na-ajụ ndụ ebighị ebi n'ihi ihe ntà nke ná-abaraghị ha urù dịka ntakirị ihe ahụ a na-afụ afụ.

Moses akwụsịghị ịkpọ Hobab òkù ahụ ọbụná mgbe ọ sịrị é-è kama o mere ka ọ mata na ọ dị ọnọdụ nke dịịrị ya nke ọ ga-anọchị. Ọtụtụ ọnọdụ dịịrị ndị-ọlụ n'alaeze nke Chineke. Jisọs sịrị, "Owuwe-ihe-ubi riri nne n'ezie, ma ndi-ọlu di ole-na-ole" (Luk 10:2). Moses kwere Hobab mkwà sị, "Ezi ihe ahu nke JEHOVA gēme ayi nma nime ya, ayi gēme kwa gi nma." Jisọs kwere mkwà sị, "Onye nēwere ihe ubi nānara ugwọ-ọlu-ya, nāchikọta kwa nkpuru nye na ndu ebigh-ebi" (Jọn 4:36).

**Achọrọ Onye-ndú**

Ọ bụ Chineke ga-edú Israel site n'igweoji na ogidi, ma Moses sịrị Hobab ka ọ bụụrụ ha anya. Ọ bụrụ na Chineke ga-edú ha, mkpà gịnị ka ọ dị ka Hobab bụrụ ha anya? Ụfọdụ echèwo na nke a gosịrị na Moses enweghị ntụkwasịobi na Chineke. O kwesighị ka echèe ya otú a. Ọ dị ọtụtụ ihe nke nwoke a nke nwapụtaworo ihe n'ọzara pụrụ ịma ihe banyere ha mgbe Chineke rọpụtasịrị Ụmụ Israel ebe ha ga-ama ụlọikwuu dịka ebe ịta nri nke anụụlọ, mmiri, ihe egwù, na ọkụ. Ọ dị mkpà na anyị ga-enwe ndị ndú na ndị nlekọta (overseer) ndị nwere ihe ọmụma na amamihe, ọ bụ ezie na anyị bụ ndị Mmụọ nke Chineke na-edú.

**Ònye Ga-ejé?**

Hobab ò soro Ụmụ Israel jeé? Gịnị bụ̀ ọ̀zízá gị nye òkù nke Oziọma? Ọ̀ gabụ na ị̀ gaghị abịa za òkù a na-akpọ, ebe ọ bụ na ọ dị ọtụtụ "ihe anya nāhugh, nke nti nānugh kwa, nke nābagh kwa n'obi madu, ka ha ra bú ihe Chineke doziri ndi huru Ya n'anya" (1 Ndi Kọrint 2:9).

**BỊA SORO ANYỊ JEE**

**Otù mgbe otù nwoke nke Midia n'ejègharị,**
**Bịa kutere ùsù niile nke Israel**
**Ndị nke Onyenweanyị n'anọnyere,**
**"Soro ayi jee," ka Moses sịrị, anyị gēme**
**kwa gị mma.**
**Chineke ekwuwo ezi ihe banyere Israel."**
**Ékwé:**
**Bịa soro anyị jee ayị ga-eme kwa gị mma,**
**Soro anyị keta ala miri araehi na manụañụ,**
**Bịa soro anyị jee n'ihi na anyị naaga Kenean,**

**O, bị a soro keta ọñụ anyị naejighị ego.**

**N'ala Mkwà ahụ ka anyị naeje,**
**Onyenzọpụta anyị bụ kwa Onyendú anyị,**
**Ọ bụ n'Aha Ya ka anyị naebu agha,**
**N'ihi na ọ bụ ala ọma, ala nke ọtụ́tụ́ mmiri**
**naasụpụta na ya nke ugwu,**
**Nke Jehova naeche nche ehihie na abalị.**

**Otú a ka anyị na-agwa mmadụ niile n'ebe niile,**
**"Soro ayị jee n'ihi na Chineke naanọnyere**
**anyị.**
**Sonyere ùsù anyị nke jupụtara n'ọñụ!"**
**Ma ndị naawagharị n'akụkụ ụzọ ndị na**
**eru ujù, ndị ike gwu-kwara,--**
**"Bị a binyere anyị na Beulah anyị nka."**

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Chọọ nime Akwụkwọ Nsọ ebe niile edere ihe banyere igweoji ahụ n'ọzara.
2. Ogologo oge ra añaa ka Ụmụ Israel nọrọ n'Ugwu Sainai
3. Depụta urù niile dị n'ịza òkù nke Oziọma.
4. Urù gịnị ka ọ ga-abara mmadụ ma ọ bụrụ na ọ zaghị òkù ahụ?
5. Gịnị ka ị chọpụtara nime Akwụkwọ Nsọ banyere mmadụ ikwe ka ihe nke èzínaụlọ ya gbochie ya iso Jisọs?
6. Moses ọ̀ chọrọ ka Hobab bụrụ onye ga-achọpụtara ndị Israel ebe niile ha ga-ama ụlọikwuu ha?
7. Ì kwenyere n'ịkpọ mmadụ òkù nke Oziọma n'onwe gị? Ọ bụrụ na ị kwere na nke a, gịnị ka ị na-eme banyere ya?
8. Gịnị bụ "Ezi-ihe" nke Jehova kwuru banyere Israel?
9. Ọ̀ bụ gịnị ka Moses na-eme n'ụtụtụ na anyasị?
10. Òlee otú ndị Israel si amara oge ha ga-ebuli ijè site n'ọmụma ụlọikwuu ha?